
# IHE I CHORO BU KRAIST

ARU IKE

NMUTA




AKU

OCHICHI

"Ikwere na Kraist abughi ife ofefe di iche - iche. Ọbu Jisus Kraist n'onwe ya - "bu uzọ, na ezi - okwu, na ndu."[1]

Ge nti n'okwu ya:

"Mu Onwem bu ọnu - uzọ ahu; Ọ buru na onye ọbu la esi na Mu ba, agazọputa ya . . . Mu onwem biara ka ha we nwe ndu, ka ha nwebiga kwa ya oke . . . Udo ka M'rapuru unu; Udo nkem ka M'nenye Unu . . . Ka Obi - Unu ghara ilọ miri, ka ọghara kwa itu ujọ . . . Ihe ndia ka M'gwaworo unu, ka ọñum we di nime unu - ka ọnu unu we zukwa" (Jon 10: 9, 10; 14:27; 15:11).

Nkpa n'akpa gi bu nkpa Kraist nke Akwukwọ Nsọ, Nwa - nke-ebigh-ebi Chineke nke nenweghi mbido nke ọga enwe ọgwugwu. Ọburu na I igenwe ike imata nkaa nime obi gi nile, Ọ geme ihe di iche na ndu gi.

I matara ihe mere eme nezie nnu - arọ-ise gara - aga mgbe akpọgidere Jisus Kraist n'obe? Nezie, Ọ nagidere ahuhu nke ọnu apughi ikọ, Ọ wusiri ọbara ya we nwua. Ma n'ihi gini ka Ọ huru ahuhu di otua, ebe Ọ nwereri ike ikpọdata usu ndi mọ-ozi ka ha chegide ya? Nezie nani otu nkpuru okwu si na ọnu ya garari ezu ila ndi iro ya n'iyi.

Ihe abua mere: Mbu, Ọ mere ya n'irube isi na ọchichọ Nna-ya, nke abua, Nihi Ọhuru ayi n'anya Ọ we chọ ka ayi soro ya n'elu - igwe. Ọ nwuru ka owe kwua ugwọ ọmuma ikpe nmehie ayi; ka ayi we nwere onwe ayi. Ekpere ya ikpe nmehie ayi. "Ma Jehovah emewo ka ajọ omume nke ayi nile dakwasi ya."[2]

Ọ di onye ọbula ọzọ ziri ihun'anya di otua nye ndi nmehie n'ala niyi? "Nihi na Chineke huru uwa n'anya otua, na O nyere ọbuna Ọkpara Ọ muru nani ya, ka onye ọbula nke kwere na ya we ghara ila n'iyi, kama ka onwe ndu ebighi-ebi."[3] Nka bu ihu n'anya di ebube!

Ma ọdi ihe ọzo, Jisus anodighi n'ili ebe eliri ya. Chineke mere ka Ọ bilie n'ọnwu. Ọbu n'ihi gini? N'ihi Onye-Nwe-Ayi Jisus mezuru nke ọma na ibupu nmehie nile ayi. Kraist sọpuru Chineke site na ibupu nmehie site n'ọnwu. Chineke sọpuru kwara Kraist site ime ka Ọ bilie na Ọnwu, na ikpube ya okpu eze na ikwanye kwara ya ugwụ-ezi-Okwu nke kachasi ebube dikwa oke ọnu ahia. Ọ buru na ejide onye biara igbaputam (m'ọbu onye akaebe m) n'ugwọm tuba ya na ulọ nkpọrọ n'ihi ugwọm, mgbe arapuru ya ka obi ga esim ike na enwerewom onwem n'ugwọm nile.

Onye - nwe - ayi Jisus bu Onye-ngbaputam na ugwọm "Onye arara ya nye (naka ọnwu) n'ihi ndahie ayi nile, ewe me ka Ọ si n'ọnwu bilie n'ihi igu ayi na ndi ezi-omume."[4] Ọ kwuru ugwọ nmehie m ma ewe me ka obilie na onwu izi na ugwọ Ọkwutaram juru Chineke afọ nke uku. Enyim che uche bayere ezi okwua di ebube.

Ugbua ajuju di oke mkpa bu:

I nabatawo Kraist dike Onye ngbaputo gi na Onye nzoputa gi? Ma ka ha ra, bu ndi nara ya, ha ka O nyere ike igho umu Chineke, bu ndi kwere n'aha ya."[5] O buru in'eche na nkpa Kraist anagh akpa gi, ihe ndi g'eso ya mgbe-ikpe azu ga adi egwu. I di ka onye Oria jide-siri ike nke chere na nkpa dibia anaghi akpa ya. Ohere agagh adi iburu nmehie iba na ala eze Chineke. Chineke emewo ka odo ayi anya Ha nile bu "ndi n'anaghi nti ozi-oma nke Onye-nwe-ayi Jisus . . . bu mbibi ebigh-ebi nke sitere n'iru onye nwe ayi . . ."[6]

Ayi anaghi ario gi ka ikwere na Kraist ka Oburu nani dika Okpukpe di iche iche, kama ayi n'anogidesi gi ike ka inyefe onwe gi naka onye nwe ayi Jisus Kraist. Kwuputa nmehie gi ma gwa ya na inabatawo ya ugbua dika onye Nzoputa - gi na onye nwe gi.

Ebe ileba anya na akwowo nso: (1) Jon 14:6 (2) Aisaia 53:6. (3) Jon 3:16. (4) Ndi Rom 4: 25. (5) Jon 1:12. (6) Ndi Tesalonaika 1:8, 9 .

**Word Of Truth**, P.O. Box 1126, Kaduna, Nigeria